NIGERIAN JOURNAL OF AFRICAN STUDIES (NJAS) VOL. 5 NO. 2, 2023 (ISSN: 2734-3146), Indexed in Google Scholar (EMAIL: officialnjas@gmail.com) NNAMDI AZIKIWE UNIVERSITY, AWKA, NIGERIA

# Okwu Ọhụrụ N'asụsụ Igbo: Ụfọdụ Ihe Ndị Na-Eweta Okwu Ọhụrụ Na Usoro Mmebeokwu Ha

**Felista Chidi Akidi**
Federal Univrsity of Technology, Owerri
Email: Felista.Akidi@futo.edu.ng & felistachidi@gmail.com

**Ụmịedemede**

Ka ụwa n'emepe na-aga, ịchọpụta na ịnabata ihe ọhụrụ dị iche iche, na-eme ka okwu ọhụrụ na-abata n'asụsụ Igbo. Okwu ọhụrụ a na-ahụ n'asụsụ Igbo site n'oge rue n'oge kpalitere nchọcha a. Nchọcha a bụ nke kwọlitetiv. Ụlọọrụ mgbasa ozi abụọ ka e si weta ihe e ji tụchaa nchọcha a. Mmadụ abụọ ka a jụrụ ajụjụ a na-akwadoghị akwado. Nke a bụ iji ghọta mpụtara ụfọdụ okwu ọhụrụ ndị n'edoghị anya n'okwu ọhụrụ ndị e nwetara e ji mee ntụcha. E ji akwụkwọ na mkpịsị edemede wee detuo okwu ọhụrụ ndị e nwetara. Mbunuuche nchọcha a bụ ịmata ihe ndị na-ewebata okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo na usoro mmebeokwu ha dabara. A chọpụtara na okwu ọhụrụ na-esite n'ụzọ dị iche iche abata n'asụsụ Igbo. Ụzọ ndị a gụnyere; nkanụzụ, ejiji, agụmakwụkwọ, okpukperechi, nsogbu na erimeri. A chọpụtakwara n'usoro mmebeokwu e ji mebe okwu ọhụrụ ndị a gụnyere: nsụgharị, ngwakọ, nkwukọ, mgbatị echiche, ime okwu ejima na okwu mbite. A tụrụ alo ka a na-eji okwu ọhụrụ ndị nke a sụgharịrị n'Igbo na-emekọrịta karịa iji nke bekee ha.

**Okwu ndị gbara ọkpụrụkpụ:** Asụsụ, Igbo, mmebeokwu, okwu ọhụrụ

## Mmalite

Ndụ mmadụ ezughị oke ma e wepụ asụsụ. E wepụ asụsụ, obibi ndụ mmadụ agaghị atọ ụtọ (Akidi, 2021). N'otu aka ahụ Akidi (2019:196) kwuru na asụsụ dị oke mkpa na ndụ mmadụ n'ihi na e wepụ asụsụ obibi ndụ mmadụ agaghị enwe isi. Asụsụ na-eme ka mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-aga werewere. Mmekọrịta ịga nke ọma na-egosi na mmadụ nwere okwu ndị dabara n'ihe ndi ọ na-ekwu. Mgbe ọbụla mmadụ enweghị okwu ọ ga-eji kọwapụta ihe o bu n'obi maọbụ mgbe mmadụ na-enweghị okwu ọ ga-eji egosipụta ihe o bu n'obi, mmekọrịta anaghị aga nke ọma.

Okwu ọhụrụ na nchọcha a bụ okwu dibu adị e nyere nghọta ọhụrụ maọbụ okwu na-adịbughị adị batara n'asụsụ nke ndị nwe asụsụ bidoro iji wee na-emekọrịta. Okwu ọhụrụ nwere ike ịbụ okwu mbite nke ndi nwe asụsụ bitere n'ihi uru okwu ahụ baara ndị nwe asụsụ ahụ. Ọ bụrụ na anabataghị okwu ahụ, mmekọrịta ebe e kwesịrị iji okwu ahụ emekọrịta ga-ahịa ahụ. Ọmụmaatụ bụ okwu ndị sitere na nkanụzụ ọgbara ọhụrụ dịka kọmputa, imelu, aapụ dgz. Ugbu a ihe gbasara nkanụzụ ọgbaraọhụrụ bụ okwu onye ọbụla kpụ n'ọnụ. Ọ bụrụ na ewebataghị okwu ndị a n'asụsụ Igbo mmekọrịta ga-ahịa ahụ.

## Ntụleghari Agụmagụ

Okwu ọhụrụ nwere ike ịbụ okwu ochie nke e nyere nghọta ọhụrụ (Akidi, 2021). Ịmaatụ: ọdieshi nke pụtara na ihe anaghị atapụ maọbụ awụsi ihe dịka mmiri maọbụ mmanụ, mana na nghọta ya dịka okwu ọhụrụ ihe ọ pụtara bụ egbe adịghị epu mmadụ ahụ. Ya bụ a gbaa mmadụ egbe ọ gaghị epu ya ahụ nke ọbara maọbụ mmiri ji apụta.

Mgbe ọbụla mmadụ nụrụ okwu ọhụrụ n'asụsụ ya ọ ga-amata na ihe ahụ bụ okwu ọhụrụ (Akidi, 2021). Mana mgbe ụfọdụ okwu nwere ike bụrụ okwu ọhụrụ n'ebe otu onye nọ mana ọ bụghị okwu ọhụrụ n'ebe onye nke ọzọ nọ n'ihi okwu ahụ malitere ịbụ okwu ọhụrụ site na mgbe mmadụ nụrụ okwu ahụ n'izizi. Okwu ọhụrụ nwere ike ịbụ otu okwu, nkebiokwu, maọbụ nkebiahịrị. Okwu ọhụrụ nwere ike ịmalitere site nkanụzụ ọhụrụ, omenala, azụmahịa, okwu ahụike, ejiji, erimeri, dgz. Ihe ndị na-eme n'ebe obibi mmadụ na-eweta okwu ọhụrụ.

Akidi (2021) kọwara na e nweghị okwu a ga-asị na ọ bụ okwu ọhụrụ kpamkpam. Ọ kọwara na okwu ọbụla nwere ebe ọ dibu. Okwu ahụ nwere ike ịdị n'ụdị ụda, mkpụrụokwu, nkebi okwu dgz n'asụsụ ọzọ maọbụ n'asụsụ ahụ nabatara ya dịka okwu ọhụrụ. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ ụda dibu adị, mkpụrụokwu,

nkebiokwu, nkebiahịrị maọbụ ahịrịokwu dibu adị n'asụsụ ahụ maọbụ asụsụ ndị mba ọzọ ka e ji mebe okwu ọhụrụ.

Okwu ọhụrụ bụ otu okwu maọbụ karịa e ji akọwa ihe ọhụrụ n'asụsụ nke ndị nwe asụsụ ga-aghọta mgbe ha nụrụ ya. Nke a pụtara na ndị nwe asụsụ na-amata na okwu bụ okwu ọhụrụ mgbe ha nụrụ ya. Lipka (2010) mere ka a mata na otu okwu nwere ike bụrụ okwu ọhụrụ na ntị otu onye mana ọ gaghị abụ okwu ọhụrụ na ntị onye nke ọzọ. Akidi (2021) kwuru na okwu na-abụrụ mmadụ okwu ọhụrụ ma ọ bụrụ na mgbe onye ahụ nụrụ okwu ahụ izizi, maọbụ onye ahụ ka malitere ịnụ okwu ahụ. Ihe ọhụrụ malitere na ndụ ndị mmadụ na-enwe aha ka a na-enye okwu ọhụrụ. E nwere ike iwere okwu dibu adị n'asụsụ nyegharịa nghọta ọhụrụ. E nwere ike ịkpọ ihe aha n'adibughị adị. Inye ihe aha ọhụrụ site n'okwu dibu adị na-eme ka a ghara inwe ọtụtụ okwu nke ga-eweta ichefu ihe a na-akpọ ụfọdụ ihe.
Akidi (2021) kọwara na okwu ọhụrụ gụnyere okwu adibughị adị n'asụsụ ma ncha nke okwu mbite so na ya, okwu ochie emegharịrị nye nghọta ọhụrụ, maọbụ okwu ochie nwere nghọta ọhụrụ. A na-esite n'ụlọọrụ mgbasa ozi enweta okwu, si na ya amata okwu malitere ọhụrụ n'asụsụ. Onyedum (2012), Ezeifeka (2018) na Nkhata na Jimaiamah (2020) na nchọcha ha n'otu n'otu gosiri ka usoro nzirita ozi nke ọgbara ọhụrụ bụ social media si ewepụta okwu ọhụrụ dị iche iche.

**Usoro Nchọcha**
Nchọcha a bụ nke kwọlitetiv. Usoro a na-eleru anya weta ihe e ji atụcha nchọcha site n'ekwuru n'ọnụ maọbụ ederede. Usoro kwọlitetiv na-agbalị ịkọwa ihe ndị e wetara maka ntụcha nchọcha nke ọma. A na-ekewa ntụcha ụdị nchọcha a na ngalaba na ngalaba. Na nchọcha nke kwọlitetiv, a na-enweta ihe e ji atụcha nchọcha site n'isonye n'ihe a na-eme, ileru anya maọbụ ige ntị. E nwere ike ime nke a ugboro ugboro. Nchọcha kwọlitetiv na-akọwa ihe ka ọ dị. Ọ naghị etinye etinye nke o ji ewepụ ewepụ. Maka ihe gbasara nchọcha nke kwọlitetiv gụọ: Mensah (2016), Akidi (2021), Akidi, Ayozie, Mgborogwu na Obumneke (2023). Akidi (2021) kwuru na ụdị usoro nchọcha anaghị achọ ọtụtụ mmadụ maka inweta ihe eji eme ntụcha nchọcha.

Ụlọọrụ mgbasa ozi Orient 94.5FM na Ozisa 96.1FM di n'Owere steeti nke Imo ka ọchọcha si nweta okwu ọhụrụ ndị o ji tụchaa nchọcha a. E ji akwụkwọ na mkpịsị edemede wee na-edetu okwu ọhụrụ ndị ọ na-anụ n'ụlọọrụ mgbasa ozi ndị a. E mere nke a mgbe ọbụla ha na-eme ihe n'asụsụ Igbo. E mere nke a ihe dịka ọnwa abụọ. E nwetara okwu ọhụrụ dị iri anọ (40). A jụrụ mmadụ abụọ ajụjụ ọnụ maka okwu ọhụrụ ndị a na-aghọtachaghị. Mmadụ abụọ ndị a jụrụ ajụjụ ekweghị ekwu aha ha. A jụtakwara ihe ndị wetara ụfọdụ okwu ọhụrụ ndị a na-amaghị n'asụsụ Igbo. E mere nke a iji mata ka okwu ọhụrụ ndị a si bata n'asụsụ Igbo. Nke a bụ iji mata mgbe okwu ọhụrụ ndị a malitere, ihe kpatara okwu ọhụrụ ndị a na mmebeokwu ndị ha dabara na ha. Na nsekesi e kewara ihe ndị e nwetara maka ntụcha nchọcha etu kwesịrị ekwesị ma kọwaa ha n'ụzọ doro anya nke ọma.

**Ihe ndị nwere ike ime ka okwu ọhụrụ bata n'asụsụ Igbo**
Ọtụtụ ihe nwere ike ime ka okwu ọhụrụ bata n'asụsụ. Asụsụ ọbụla dị ndụ na-enwe mgbanwe na ihe ọhụrụ site n'oge ruo n'oge. Enweghị asụsụ ọbụla a kpọrọ asụsụ ọgbara ọhụrụ dị etu ọ dị mgbe ya bụ asụsụ malitere. Ka ụwa na-emepe anya na-aga asụsụ na-anabata okwu ọhụrụ dị iche iche site n'ịnabata ihe ọhụrụ ndị n'adịbughị n'asụsụ ahụ sitere na nkanụzụ ọgbara ọhụrụ, okwu nchara, azụmahịa, okpukperechi, okwu ahụike, nchekwa, nri, ejiji, dgz.

**Nkanụzụ**
Ụwa na-aga, nkanụzụ na-abawanye okwu ọhụrụ dị iche iche na-apụta. Asụsụ na-anabata okwu ọhụrụ ndị sitere na nkanụzụ ka ndị nwe asụsụ wee nwee ike soro keta oke nke sitere n'uru nkanụzụ na-eweta. Asụsụ Igbo so n'otu asụsụ dị n'ụwa nabatara okwu sitere na nkanụzụ n'ụzọ pụrụ iche. Ụfọdụ okwu sitere na nkanụzụ n'ụzọ pụrụ iche. Ụfọdụ okwu sitere na nkanụzụ ka a sụgharịrị n'Igbo ebe ụfọdụ ka a nabatara etu ha dị ma na-asụpe ha n'Igbo. Ọmụmaatụ okwu ndị sitere na nkanụzụ asụgharịrị n'Igbo: ngịga ụwa, akwụ ụwa, nkanụzụ, nchọ, oke, ekwentị, ọnya nwudide, igwe ome nta eme imo, mpịkọ.
A sụgharịrị okwu ọhụrụ ndị a n'Igbo site n'agwa okwu ndị a gbasara nkanụzụ na-akpa maọbụ ihe ha yitere maọbụ ihe ha dị ka ha.

**Ejiji**

Ejiji na-ewebatakwa okwu ọhụrụ dị iche iche n'asụsụ Igbo. Okwu ọhụrụ dịka ịgụ anya (*eye lashes),* sagịn, tatuu na ndị ọzọ socha n'okwu ọhụrụ e nwetara n'asụsụ Igbo n'oge dị ugbu a site n'ejiji. Ụdịrị isi a na-eme eme, na-ewu ewu na-ewetakwa okwu ọhụrụ. Ịmaatụ: dada, dredị, dgz. Ndị a bụcha okwu ọhụrụ ejiji wetara n'asụsụ Igbo.

**Okpukperechi**

Okpukperechi sokwa n'otu ụzọ okwu ọhụrụ si abata n'asụsụ Igbo. Ụfọdụ okwu ọhụrụ okpukperechi wetara n'oge dị ugbu a gụnyere: mpịakọ/ọgwụgwụ oge, mfeli ndị nsọ, dgz.

**Erimeri**

Erimeri so n'otu n'ime ihe na-ewebata okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo. E nwee ụdị erimeri ọhụrụ, a na-esi na ya nweta okwu ọhụrụ. Ịmaatụ: rishi rishi: Okwu a malitere site n'iji ọtụtụ ihe ụtọ na-ewepụta ụtọ nri were esi nri n'oge dị ugbu a. Nke bụ na mmadụ nwere ike itinye anụ, azụ, okporoko, ịsam, eju dgz n'otu nri.

. **Nsogbu/Ọgbaghara**

Ọtụtụ mgbe ogbaghara maọbụ nsogbu na-eweta okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo. Ụfọdụ okwu ọhụrụ ndị si etu a bata n'asụsụ Igbo gụnyere: egwu eke, ọdieshi, mfashiọnụ, dgz.

**Agụmakwụkwọ**

Agụmakwụkwọ na-eweta okwu ọhụrụ, ọ kacha n'etiti ụmụakwụkwọ mahadum na sekọndịrị. Ịmaatụ: ọmọkịrịkịrị, ọmọrịmaịnda, kọwashiet, dgz

Okwu ọhụrụ ndị a a na-ekwu maka ha bụ ndị e nwetara dịka data e ji mee nchọcha.

**Tebụlụ 1: Nchịkọta ihe ndi na-ewebata okwu ọhụrụ**

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| (1) | **Nkanụzụ** | (2) | **Ejiji** | (3) | **Okpukperechi** |
| | teknụzụ | | kulikuli | | imirimious |
| | igwe ome nta eme imo | | bebi ọkụ | | mpịakọ |
| | akwụ ụwa | | akwa nwa | | mfeli ndị nsọ |
| | ekwentị | | igu anya | | uche a jụrụ ajụ |
| | ngịga ụwa | | asa mma | | mpịachi |
| | epekele onyonyo | | ụmụ mma | | ọgwụgwụ oge |
| | nchọ | | sagịn | | |
| | efere ejije | | tatuu | | |
| | savis | | | | |
| | data | | | | |
| | imelu | | | | |
| | mpịkọ | | | | |
| | oke | | | | |
| | okwu ngafe | | | | |
| | ọnya udide | | | | |
| | gọgụl | | | | |
| 4. | **Erimeri** | 5) | **Nsogbu** | 6 | **Agụmakwụkwọ** |
| | ilokilo | | igbu ozu | | kịrịkịrị sta |
| | rishirishi | | ego mbute | | kọwashiet |
| | kpashịkpasị | | mfashi ọnụ | | ọmọ rịmaịnda |
| | miskọgbuo | | | | |

**Usoro Mmebeokwu ndị e ji mebe okwu ọhụrụ ndị e nwetara**

**Okwu Mbite**

Ibite okwu so na otu ụzọ okwu si abawanye n’asụsụ. Ibite okwu bụ iwere okwu si n’asụsụ ọzọ tinye n’asụsụ Igbo jizie ya na-eme okwu ka a ga-asi na ọ bụ asụsụ Igbo. Akidi, Ayozie, Mgborogwu na Obumneke (2023) kwuru na a na-ebite okwu mba ọzọ tinye n’asụsụ iji mee ka mkpụrụokwu asụsụ ahụ bawanye, ọ kacha mgbe a na-enweghị ihe e nwere ike ịkpọ okwu ahụ n’asụsụ na-ebiri ya bụ okwu. Okwu mbite a hụrụ na nchọcha a gụnyere: deta, imelu, savis, gọgụl, kulikuli, tatuu na sagịn. A sụpere okwu ndị a n’Igbo ka ha wee daba etu ndị Igbo si akpọ ha.

**Ngwakọ**

Ngwakọ bụ usoro mmebeokwu ọzọ. Ngwakọ a bụ iwekọta okwu abụọ maọbụ karịa na-akpọ ha dịka otu okwu. E nwere ike kpọkọtachaa okwu abụọ ahụ maọbụ chabiri ha achabiri. E nwere ike ichabiri otu tinyechaa nke ọzọ maọbụ chabichaa ha abụọ achabie. Okwu ndị a a na-ewekọta ọnụ nwere ike si n’otu asụsụ maọbụ karịa. O nwere ike ịbụ asụsụ Bekee na asụsụ Igbo, asụsụ Igbo na asụsụ Bekee, asụsụ Igbo na asụsụ Awụsa, dgz. Ngwakọ ndị pụtara ihe na nchọcha a gụnyere: teknụzụ (teknọlọji + ụzụ), bebi ọkụ (babi + ọkụ) ọmọrịmaịnda, kịrịkịrị sta, kọwashiet, imirimiọs na miskọgbuo.

**Mgbatị echiche**

Mgbatị echiche bụ iwere okwu dibu adị nye ya nghọta ọhụrụ site na etu ihe a na-ekwu maka ya dị maọbụ ihe ọ na-eme. Okwu ọhụrụ ndị e nwetara dịka mgbatị echiche gụnyere: igu anya, uche a jụrụ ajụ, igbu ozu, oke, ekwentị, ọgụ obe, ọnya udide, dgz. Igbo sitere n’etu ihe ndị a dị na ihe ha na-arụ wee mebe okwu ndị a. Site na mgbatị echiche mmadụ ga-amata ihe okwu ọhụrụ ndị a pụtara.

**Nsụgharị**

Nke a bụ ịsụgharị okwu sitere na mba ọzọ ka o gosi ihe ọ pụtara n’asụsụ o si na n’asụsụ nabatara ya. Nsụgharị bụ ịtapịa okwu si n’asụsụ ọzọ ka nghọta ya bụrụkwa ihe ọ bụ n’enweghị mgbanwe ọbụla. Nsụgharị e nwetara na nchọcha a gụnyere: igwe ome nta eme imo, ngịga ụwa, mpịkọ, epekele onyonyo, oke, mpịakọ, mpịachi, ọgwụgwụ oge, mfeli ndị nsọ, ọnya udide, okwu ngafe, akwụ ụwa nchọ na ekwentị.

**Nkwukọ**

Nke a bụ iwekọta okwu abụọ maọbụ karịa iji ha mee otu okwu. Okwu abụọ dibu n’asụsụ ka a na-eji emebe ha. Nke a ka ha ji dịwaga iche na ngwakọ. Mgbe e wekọtara okwu ndị a ọnụ nghọta a chọrọ n’okwu ndị a na-adịkwa ya. Nkwukọ a hụrụ na nchọcha a gụnyere: asa mma, onye ọrụ, ego mbute, mfachi ọnụ, ụmụ nwa na ịgụ anya.

**Ime Okwu Ejima**

Nke a bu iweta otu okwu ugboro ugboro maọbụ iweta akụkụ okwu yiri onwe ha ji ha mebe okwu ọzọ. Ime okwu ejima ndị a hụrụ na nchọcha a gụnyere: rishi rishi, kpashị kpashị, ilokilo na loyi loyi.

Site na nsekesị mmebeokwu e mere na nchọcha a, a chọpụtara otu okwu nwere ike idaba n’usoro mmebeokwu abụọ maọbụ karịa.

**Tebul 2: Nchịkọta usoro mmebeokwu okwu ọhụrụ ndị e ji mee nchọcha sonyere na ha**

| Okwu mbite | Ngwakọ | Mgbatị echiche | Nsụgharị | Nkwukọ | Ime okwu ejika |
|---|---|---|---|---|---|
| Data | teknụzụ | igu anya | igwe ome nta eme imo | asa mma | rishi rishi |
| imelu | bebi ọkụ | uche a jụrụ ajụ | Ekwentị | igu anya | kpashị kpashị |
| Savis | ọmọ rịmaịnda | igbu ozu | ngịga ụwa | ụmụ mma | ilokilo |
| gọgụl | kịrịkịrị sta | Oke | epekele onyonyo | onye ọrụ | loyi loyi |
| kulikuli | kọwashiet | | efere ejije | ego mbute | |
| Tatuu | imirimious | | Mpịkọ | mfachi ọnụ | |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| sagịn | miskọgbuo | | Oke | | |
| | | | Mpịakọ | | |
| | | | Mpịachi | | |
| | | | ọgwụgwụ oge | | |
| | | | mfeli ndi nsọ | | |
| | | | ọnya udide | | |
| | | | okwu ngafe | | |
| | | | akwụ ụwa | | |
| | | | Nchọ | | |

**Ihe Mere o ji dị Mkpa Ịnabata Okwu Ọhụrụ n'Asụsụ Igbo.**
Asụsụ agaghị etowaga nke ọma ma ọ bụrụ na ọ naghị anabata okwu ọhụrụ. Ihe ọhụrụ na-abata, okwu ọhụrụ a na-eso ya. Nke a na-eme ka mmekọrịta na-aga nke ọma. Ndị nwe asụsụ ka ọ dịịrị ime ka asụsụ too maọbụ nwụọ. Emenanjo (2005) kwuru na asụsụ nwere ike dị ndụ maọbụ nwụọ site na mmeso ndị nwe asụsụ na-emeso asụsụ ha. Akidi (2010) kwuru na asụsụ Igbo gbanyere mgbọrọgwụ site na gboo, asụsụ Igbo bụ ihe niile nye ndị Igbo. Akidi (2008) kwuru na ndị nwe asụsụ kwesịrị imezi asụsụ. Otu ụzọ a ga-esi mezie asụsụ bụ iwebata okwu ọhụrụ ga-enye aka ka mmekọrịta na-adị mfe. Ndị Igbo hapụ imezi asụsụ ha nke bụ ejiri mara ha, ejirimara ha efuo (Akidi, 2013). Iwebata okwu ọhụrụ kwesịrị ekwesị ga-eme ka ndị nwe asụsụ na-asụ ya nke ọma n'ihi na ha agaghị achọ okwu ha ji emekọrịta achọ. Akidi (2018[A]) kwadoro nke a site n'ikwu na asụsụ ndị nwe ya n'anaghị asụ bụ asụsụ nwụrụ anwụ.

Okwu ọhụrụ na-eme ka ọbaokwu nke asụsụ dịwaga ọhụrụ ma bawanye. Enweghị asụsụ n'adịghịde ka ọ dị, asụsụ na-agbanwe agbanwe site n'oge ruo n'oge. Otu n'ime ụzọ asụsụ si agbanwe bụ site n'ịnabata okwu ọhụrụ. Okwu ọhụrụ na-eme ka asụsụ na-eto. Okwu ọhụrụ asụsụ na-anabata nwere ike ịbụ okwu dibu adị n'asụsụ ahụ nke e meghariri nghọta ya maọbụ okwu ọhụrụ sitere na mba ndị ọzọ wee bata.

Ịkpọ ihe ọhụrụ aha na-enye aka ka okwu ọhụrụ bata n'asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na e nwee ihe ọhụrụ dị mkpa na ọ ga-adị n'asụsụ Igbo, a na-enye ya aha iji mee ka e nwee ike ji ihe ahụ na-eme ihe e kwesịrị iji ya eme. Nke a ga-emekwa ka ọ dịrị ndị mmadụ mfe ịghọta na ịmata ihe ihe ahụ bụ ọsọọsọ nwee ike iji ya na-emekọrịta. Ihe ọbụla na-enweghị aha ga-ahịa ahụ mmata. Nchọpụta ihe ọhụrụ na mgbanwe n'asụsụ na-eweta okwu ọhụrụ (Vypracoval, 2013). Ụzọ kacha pụta ihe asụsụ ji agbanwe bụ site n'ịnabata okwu ọhụrụ. Wanger (2010) kwuru sị, nchọpụta ihe ọhụrụ, na mgbanwe asụsụ ọbụla na-achọ okwu ọhụrụ. Ihe ọhụrụ ọbụla kwesịrị ịkpọ ya aha site n'ịgbanwe ihe ana-akpọbu ya, maọbụ iji okwu ochie nye ya aha maọbụ inye ya aha n'adibughị adị n'asụsụ.

N'ihi ụkọ okwu, ọ dị mkpa iwebata okwu ọhụrụ n'asụsụ. Enweghị ihe a na-akpọ ihe na-eme ka a chọọ okwu ọhụrụ a ga-enye ya. Ụkọ okwu nke sitere na mmetụta nke nkanụzụ omenala na mmekọrịta nke mba na mba na-eme ka a chọba okwu ọhụrụ ga-adaba iji mee ka mmekọrịta gaa n'ihu nke ọma. Mgbe ụfọdụ site na mmekọrịta mba na mba a na-eji Igbo izugbe dochie olundị. Mgbe ụfọdụ Igbo izugbe ka a na-eji edochi okwu ochie dibu adị n'olundị, n'ụzọ dị etu a, Igbo izugbe na-abịazi mee olundi ka ọ bụrụ okwu ochie, n'ụzọ dị etu a agaghị na-ejizi nke ochie emekọrịta. Ịmaatụ iri abụọ bubu okwu ọhụrụ e jiri dochie ọgụ; ohu na nnụ ka e jiri iri anọ na narị anọ dochie n'otu n'otu. Nke a gosiri na e nwere ike iji okwu ọhụrụ dochie okwu dibu adị.

N'ihi mmetụta nke omenala na ibe ya, ọ dị mkpa na a ga-eweta okwu ọhụrụ. Omenala n'adịbughi na mbụ bata, okwu ọhụrụ na-esokarị ya abata n'asụsụ. Ihe ọhụrụ bata e nwere ike inye ya aha dị iche na nke o ji bata, maọbụ were okwu dibu adi nye ya aha maọbụ ga n'ihu na-akpọ ya nke o ji bịa. Ọ bụrụ na ihe ọhụrụ bata enweghị ihe a na-akpọ ya e nye ya aha.

**Njem Okwu na-aga tupu anabata ya n'asụsụ**
Schmid (2008), Gvozdika (2010), Forought (2011) na Vyprocoval (2013) kwuru n'otu n'otu n'afọ di iche iche na okwu ọhụrụ na-agafe usoro ndị a: mmepụta, mwale, na mmata tupu anabata ha n'asụsụ.

**Mmepụta okwu ọhụrụ:** Nke a bụ oge okwu ka dị ezigbo ọhụrụ. Amatachabeghị okwu ọhụrụ nke ukwu. Ndị mmadụ amabeghị ya nke ukwu. Ọ bụghị ọtụtụ mmadụ ji ya ekwu okwu.
**Nnwale okwu ohuru:** Nke a bụ oge a ka na-anwale ya ka a mara etu o si dị n'asụsụ. N'oge ndị mmadụ na-etinye n'asụsụ mana ọ bụbeghi nke ukwu. Ọ bụghị ọtụtụ mmadụ nabatara ya.
**Nnabata okwu ohuru:** Nke a bụ oge ọtụtụ ndị mmadụ matara okwu ọhụrụ a ma nabata ya.
Na nchọcha a e weere okwu ọhụrụ dịka okwu ochie e nyere nghọta ọhụrụ, okwu n'adibughi mbụ n'asụsụ Igbo a ka nabatara anabata n'asụsụ Igbo nke gụnyere okwu mbite, okwu e ji okwu ochie rọọ nke a malitere itinye ọhụrụ n'asụsụ Igbo.

**Uru Okwu ọhụrụ bara n'asụsụ Igbo**

- Okwu ọhụrụ na-eme ka asụsụ Igbo na-eto.
- Ọ na-eme ka asụsụ Igbo nwee ụbara mkpụrụokwu
- Ọ na-eme ka a nabata ihe ọhụrụ nke sitere na nkanụzụ na sayensị.
- Ọ na-eme ka asụsụ Igbo sonye mba ndị ọzọ n'ihe a na-eme ọ kachasị n'oge ugbu a nkanụzụ mere ka ụwa niile dịka otu ogbe bikọtara ọnụ.
- Okwu ọhụrụ na-eme ka asụsụ Igbo dị ọhụrụ n'ihi ọ ga-eme ka asụsụ Igbo soro mba ụwa na-emekọrịta site n'iji okwu ndị pụtara ọhụrụ nke sitere na nkanụzụ na ihe ọhụrụ ndị ọzọ na-enwe mmekọrịta.
- Ọ na-eme ka mmadụ sonye n'ihe a na-eme n'ihi ọ ga-enwe okwu ndị ọ ga-eji kọwapụta mkpa ya ọ kachasị n'ihe gbasara nkanụzụ.

**Ọghọm na-esi n'okwu Ọhụrụ Apụta**

- Ọ na-eme ka ọtụtụ ndị Igbo hapụ okwu Igbo ma were okwu ndị mba ọzọ dochie okwu Igbo dibu adị.
- Ọ na-eme ka anabata ma okwu ọhụrụ ndị kwesịrị ekwesị ma ndị ekwesịghị.
- Ọ na-eme mgbe ụfọdụ onye Igbo na-ekwu okwu a gaghị amata ma ọ bụ Igbo ka ọ na-asụ ka ọ bụ asụsụ ọzọ n'ihi ọ na-adịzi ka asụsụ ọzọ batara n'okwu ndị ahụ ọ kacha asụsụ Igbo dị na ya.

**Mmechi**

Nchọcha a bịara na njedebe site n'imejupụta mbunuche nchọcha a nke bụ ịmata ihe ndị na-akpata okwu ọhụrụ n'Igbo na usoro mmebeokwu, okwu ọhụrụ ndị a bụ. A chọpụtara na a na-esite na ihe gbasara nkanụzụ enweta ọtụtụ okwu ọhụrụ n'Igbo. Ụfọdụ ụzọ okwu ọhụrụ si abata n'asụsụ Igbo gụnyere nkanụzụ, erimeri, okpukperechi, agụmakwụkwọ, nsogbu na ejiji. A chọpụtara nke a site n'okwu ọhụrụ ndị e nwetara e ji mee ntụcha nchọcha a. E nwere ike inwekwa usoro ndị ọzọ mana ndị a ka a hụrụ site n'okwu ndị e ji mee ntụcha. A chọpụtara na ụzọ okwu ọhụrụ kacha si bata n'asụsụ Igbo bụ nkanụzụ. Usoro mmebeokwu okwu ọhụrụ si abata n'asụsụ Igbo gụnyere: nsụgharị, ime okwu ejima, nkwukọ, mgbatị echiche na okwu mbite. A chọpụtara na usoro mmebeokwu okwu ọhụrụ kacha bụ nsụgharị.

**Alo**

A tụrụ alo ka e mekwuo nchọcha wee chọpụtakwuo ebe ndị ọzọ okwu ọhụrụ si abata n'asụsụ Igbo na usoro mmebeokwu ndị ọzọ e ji emebe okwu ọhụrụ. A tụkwara alo ka ndị Igbo were okwu ọhụrụ ndị ahụ asụgharịrị n'Igbo na-enwe mmekorita karia iji nke Bekee ha. Nke a ga-enye aka ka a na-asụ Igbo akụghị mmiri, karịa ịsụ Igbo asụsụ Bekee ka na ya. Ọ dịkwa mkpa ka a na-etinye okwu ọhụrụ ndị a n'ọrụ kwa ụbọchị

**Edensibịa**

Akidi, F.C. (2008). Language without words in the society. *Journal of language, arts and cultural studies(JOLACS)*, 1.92-99.
Akidi, F.C. (2010). Asụsụ Igbo dịka ihe Igbo agaghị anwụ. *Opike journal of Igbo language and culture*. Vol. 1. No. 2 Pp. 26-33.
Akidi, F.C. (2013). The Igbo people and their identity ideal Igbo scholars journal. Pp. 43-56. http://wwwigboscholars.com.
Akidi, F.C. (2014). Polysemy in Osina variety of Igbo. *Igbo scholars international journal of Igbo scholars forum, Nigeria* 1(1)124-141.

Akidi, F.C. (2018[a]). Towards reviving the Igbo language from the cradle. *FUTO Journal series (FUTOJNLS)* Vol. 1, Issue 2, Pp. 210-221.

Akidi, F.C. (2018[b]). Nsogbu dị so ndị okenye isu nwere ike ime ka asụsụ Igbo nwụọ. Achara jọnalụ Nkwalite asụsụ Igbo. Nchịkọta nke mbụ. Pp. 41-57.

Akidi, F.C. (2019). Myiri n'Igbo dị ka o si metụta mkpụrụokwu: Ntule nghọta/echiche nkịtị. *International journal of development and management Review (INJODEMAR)* Vol. 14. No. 1 Pp. 256-264. www.injodemar.comhttp://ajol.info/index.php/ijindex.www.ajol.nfo.

Akidi, F.C. (2019). Nchara dịka o si metụta asụsụ Igbo. Achara jọnalụ Nkwalite asụsụ Igbo. Pp. 176-191.

Akidi, F.C. (2019). Ntulekọrịta 'na' n'Igbo Izugbe na oluasụsụ Nekede. *UNIZIK journal of Arts and Humanities (UJAH)* Vol. 20 No. 2. Pp. 195-213. http://dx.doi/org/10.4314/ujah.v20i2.10

Akidi, F.C. (2020). Media theory of culture: In B.M. Mbah (Eds) theories of culture and translation. Nsukka University of Nigerian Press. Pp. 69-79.

Akidi, F.C. (2021). Morphosemantic analysis of neologisms in Igbo. A Ph.D thesis, department of Igbo, African and Asian studies faculty of Arts, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Akidi, F.C., Ayozie, C.R. & Mgborogwu, A.C. (2021). An analysis of techniques for formation of Igbo Equivalents of English computer related terms. FUTO journal series (FUTOJNLS). Vol. 7, Issue 1, Pp. 93-107.

Akidi, F.C., Ayozie, C.R., Mgborogwu, A.C. & Obumneke, F.C. (2023). Ntụcha ụfọdụ usoro mmebeokwu na okwu ụfọdụ gbasara korona vairos n'asụsụ Igbo (Analysis of Igbo words associated with corona virus). *Interdisciplinary journal of African & Asian Studies (IJAAS)* Vol. 9 No. 2. Indexed n google scholar Pp 109-120. https://www.ngerianjournalsonlne. com/index.php/ijaas/issue/view//JAAS2023%282%29.

Emenanjo, E.N. (2005). Beyond ọkasụsụ Igbo: Igbo metalanguage past, present and future. In C. Ikekeonwu, & I. Nwadike (Eds). Igbo language development: the metalanguage perspective (Pp. 5-25). Enugu: CIDJAP.

Lipka, A. (2010). Observational linguistics: Neologisms, Entrenchment and Tea party movement, Bruno Studies in English 36(1) 2908 96-101 https://digilib,phil.muni(z>112>-digilib

Mensah, C.E. (2016). A morphosemantic analysis of mfantse neologism in some radio stations in the central region. A thesis submitted to the department of Ghanaian language and linguistics, faculty of Arts, college of Humanities and legal studies, University of Cape Coast, in partial fulfillment of requirements for the award of master of Philosophy degree in Ghanaian language (AKAN).

Onyedum, A. (2012). Social media neologisms: A mopho-semantic analysis. Unpublished master's thesis, Department of English, University of Lagos, Nigeria.

Vypracoval, M.K. (2013). Neologism in British newspaper. Neologism V.bzitskem tisku. Retrieved 1/6/2015.

Wanger, M. (2010). Word formation process. How new words develop in the English language. Ling 301 lexical semantics Ms Kraft Winter Term 201.

**Mgbakwụnye**

| **Igbo** | **Bekee** |
|---|---|
| akwa nwa | fine girl |
| akwụ ụwa | website |
| asa mma | beautiful girl |
| bebi ọkụ | fashionable lady |
| data | Data |
| efere ejije | CD plate |
| ego mbute | amased money |
| egwu eke | python dance |
| gọgụl | google |
| igbu ozu | dishonest wealth |
| igu anya | artificial eye lash |
| igwe ome nta eme imo | computer |
| imelu | Email |

| | |
|---|---|
| Ime okwu ejima | reduplication |
| kọwashiet | explain expantiate |
| kpashị kpashị | scaly fish |
| kulikuli | fashionable |
| mgbatị echiche | metaphorical extension |
| mfachiọnụ | amnesty |
| mfeli ndị nsọ | rapture |
| miskọgbuo | mixture |
| mpịakọ | end time |
| mpịkọ | key board |
| nchọ | browser |
| ngịga ụwa | internet |
| ngwakọ | blending |
| nkwukọ | compounding |
| nsụgharị | loan translation |
| ọdieshi | immunity/not penetrating |
| oke | computer mouse |
| okwu mbite | borrowing |
| okwu ngafe | password |
| ọmọrịmaịnda | Expo |
| ọnya udide | network |
| onye ọrụ | prostitute/worker |
| rishi rishi | goodies |
| savis | service |
| tatuu | Tattoo |
| teknụzụ | technology |
| ụmụ mma | beautiful girls |
| yahuu | Yahoo |